Igbo




Akwụkwọ ịma ọkwa ozi

# Ọtụtụ asụsụ n’ezinụlọ

*Nwa gị ọ na etolite na ebe a-na asụ ọtụtụ asụsụ? Ọ bụ ịhe ọṅụ! Nke a na enye ya ohere pụrụ iche. Ọ na-adịrị ụmụaka na etolite na ebe a-na asụ ọtụtụ asụsụ mfe ịmụta asụsụ ọzọ. Ị nwekwara ike ịkwado nwa gị na nke a.*

# Ọtụtụ asụsụ n'ezinụlọ

Igbo

## Kedu asụsụ e kwersịrị ịsụ n'ezinụlọ? - Asụsụ ala nne na nna!

Ọtụtụ oge, ọ na-adị mma ka nne na nna, nakwa ndi ọzọ nọ n'ezinụlọ na-asụrụ ụmụaka asụsụ nke ha onwe ha kacha mara ọfụma. Ọtụtụ mgbe, ọ na abụkarị asụsụ e jiri mụọ ha. Ọ dị mkpa ka ị bụrụ ịhe nnomi nyere nwa gị, ị ji nyere ya aka ịmụta asụsụ obodo gị ọfụma.
N'otu aka ahụ, ọ bụkwa ịhe ga enyere ya aka ị mụta asụsụ ndi ọzọ dị iche iche.

## ịgachi ụlọ akwụkwọ ọtakara anya mgbe niile na enye aka ịmụta asụsụ obodo jamanị!

Enyela onwe gị nsogbu ma ọ bụrụ na nwa gị anaghị asụ asụsụ jamanị mgbe o bidoro ịga n'nụlọ akwụkwọ ọtakara. Gaa n'ihu sụwara ya asụsụ obodo gị. Ọ ga amụta asụsụ jamanị n'aka ndi nkuzi na ụmụaka ibe ya ndi ọzọ nọ n'ụlọ akwụkwọ. Ya mere na ọ dị mkpa ka nwa gị na-agachi ụlọ akwụkwọ ọtakara anya mgbe nile. Nwatakiri gị na egwu egwu na-ama egwuriegwu, na kwa n'ụlọ ehiwere maka mgbati mgbe nile, ọ ga-amụta asụsụ obodo jamani ngwa ngwa.

## Umuaka na-agwakorita asụsụ dị iche iche mgbe ha na-ekwu okwu!

Ọ bụghị ịhe ijuanya na mgbe ụmụaka na-amalite ịmụ asụsụ ọhụrụ, ha anaghị asụta ya ọfụma dị ka ọ kwesịrị. A sụtaghị asụsụ nke ọma na-egosi na ụmụaka na-aga n'ihu nke oma n'ịmụta asụsụ ndị jamani. Oge ufọdụ, ha na amafe isi okwu na asụsụ jamani, iji maa atụ ("gib mir Blatt" kama ịsị gib mir das Blatt") ma ọ bụ ha etinye mbụzo ebe na ekwesịghị ekwesị, ("bei Baum" kama ịsị "auf dem Baum"). Ọtụtụ mgbe, ụmụaka na-asụ ọtụtụ asụsụ na-agwakọrita asụsụ, dị ka omụmaatụ "Nke a bụ Ball m", nke na egosi na ha na-eme ọfụma na-ịmụ asụsụ ahụ. Ọ bụrụ na e nwere ihe ọbụla gbagwojuru gị anya, ma ọ bụ na ị nwere ajụjụ, ị ga enweta enyemaka na-aka ndi nkuzi ọtakara ma ọ bụ na-aka ndi dibia bekee nke ụmụaka.



## Nwa m nọkatara malite ịsụ naanị jamani!

Ụfọdu ezinụlọ na-enye mkpesa na-asị ọ nwere oge ụmụaka ha na anọkata bido sụwa naanị jamanị ma jụkwa ịsụ asụsụ ezinụlo. Nke ahụ echena gị uche. Gaa n'ihu na-ịsụrụ nwa gị asụsụ ala gi. Dị ka ọ na anụ asụsụ ahụ, ọ ka ga na amụta ya ma bido kwa sụwa ya ọzọ ma emesịa.

## Ịkwu okwu na-enye oṅụ!

Ọ dị mkpa ka giị na nwa gị na-akparịta ụka mgbe n'ile, n'ịhe banyere amụmịhe ya. Na-akọrọ ya akụkọ, na-agụkwara ya akwụkwọ, ma ọ bụ, gị na ya na egwurị egwu. N'agbanyeghi ụzọ ọbụla ị ji were na-akwado ya imụta asụsụ gị, ọ ga eme ka ọ na ahụta asụsụ ala gị dị ka ezigbo ihe na-eme ka ọ cheta ịhe na-enye ya obi aṅụri, na ịhe amụmịhe ịhe nke na-enye obi ụtọ. Nke a ga enyere ya aka ị ga n'ihu n'imụta asụsụ ahụ.

## Itolite na ebe ana-asụ ọtụtụ asụsụ bụ ohere ọma dị ukwu!

ị pụrụ ịkwado nwa gị ka ọ were mụta ọtụtụ asụsụ dị iche iche site na inye ya ohere ịsụ asụsụ ya nile na-ọnọdụ ọbula. Asụsụ gị na ọmenala obodo gị, na kwa asụsụ gburugburu ebe ọ nọ nke bụ jamani ga abakwara nwata ahụ uru. Omume nke ga akwalite nwa gị ma kpalite mụọ ya na ịmụtawaganye na isụkwa asụsụ ezinụlọ n'ile, na asụsụ ọhụrụ ya, nke bu Jamanị, bụ kwa ịhe dị oke mkpa. Ọ bụ otua ka ịga esi were kwado nwa gị ọfụma make ịbịdo ịga ụlọ akwụkwọ ọtakara ya na kwa ụlọ akwụkwọ praịmarị.

LakoS
Landeskompetenzzentrum zur sprachlichen Bildung und Förderung an Kindertageseinrichtungen in Sachsen

Weitere Informationen finden Sie unter:
www.lakos-sachsen.de

Diese Maßnahme wird mitfinanziert durch Steuermittel auf der Grundlage des vom Sächsischen Landtag beschlossenen Haushaltes.

SACHSEN